Iwu Kachasi n'Akwụkwọ Nsọ bụ

"Hụ Onye-nwe-anyị Chineke gi n'anya site n'obi gi dum, were nkpụrụ obi gi dum, na ike gi dum, na uche gi dum, hụkwa onye-agbata-obi gi n'anya dika onwe gi" (Oziọma dika Luk 10:27).

Chineke nyere Moses iwu-iri ndia:

- Mụ onwem bụ Jehova Chineke gi. Gi enwela Chi ọzọ tinyerem
- Gi eburula aha Jehova, bu Chineke gi, ime ihe efu; n'ihi na Jehova aghaghi agu onye na-eburu aha Ya ime ihe efu n'onye ikpe namaghi.
- Cheta ụbọchị-izu-ike, ido ya nsọ
- Sọpụrụ nna-gi na nne-gi
- Gi egbula madụ
- Gi akwala iko
- Gi ezula ori
- Gi agbala ama ugha megide madu ibe gi
- Gi enwela anya-ukwu n'ebe ulọ madu ibe gi di
- Gi enwela anya-ukwu n'ebe nwunye madụ ibe gi nọ, ma-ọbụ n'ebe oru-ya nwoke nọ, ma-ọbụ n'ebe oru-ya nwanyi nọ, ma-ọbụ n'ebe ehi ya dị, ma-ọbụ n'ebe inyịnya-ibu-ya dị, ma-ọbụ n'ebe ihe ọbụla di nke madụ ibe gi nwere.

ANYI JI OBI ỤTỌ NA-ANABATA GI NA NZUKỌ A BỤ "EVANGELICAL LUTHERAN CHURCH".

**Ọ ga-amasi anyị isa ajụjụ ọbụla i nwere**

# UDO

© KLK Working Group on Church and Islam, Helsinki 2004 (IGBO)

Ezigbo Enyi,

Ọgbakọ anyị na-anabata gi na-akpọkwa ka ị bia soro anyị n'ofufe.
Nzukọ a bu ihe emeghere maka ndi ọbia na maka ekpere n'oge di iche iche.
Anyi na-agbakọtakwa n'ubọchị ụka ọbụla n'elekere iri nke ụtụtụ maka ekpere na ife Chineke ofufe, inu okwu Chineke na inwe mmekọrita madu na ibe ya.
Any na-asị onye ọbụla chọrọ bia soro anyị n'ofufe ndia.

**ỤFỌDỤ IHE DI MKPA BANYERE NZỤKỌ KRAISTI**

- **EKWE M NA CHUKWU**

Okwukwe onye otu Kraisti na Chineke bu ihe edepụtara na nkeke n'ime ekwe m na Chukwu.
Chineke ahụ, onye bụ atọ n'ime otu ka a mara dika Onye okike, Onye mgbaputa, na Onye na-edo nsọ.

**Ekwe m n'otu Chineke, Onye mere eligwe na ala:**
**na Jesu Kristi Onye-new-anyi bu otu nwa Ya.**
**Onye aturu ime Ya site na Muọ Nsọ,**
**a muọ Ya na Virgin Mary, Ọ taa ahụhụ n'oge ọchịchị Pontius Pilate,**
**a kpọgbuo Ya n'obe, O nwuo, e lie Ya, O gbada na muo.**
**N'ụbọchi nke atọ O si n'ọnwụ bilite, O rọgoro n'eligwe, nọrọ n'aka nri Chukwu Nna ji ike nile. Ebe Ọ ga-esi abia ọzọ ikpe ndi di ndụ na ndi nwụrụ anwụ ikpe,**
**ekwe m na Muọ Nsọ, n'otu Nzukọ Nsọ, na mmekọrịta nke Ndi Nsọ,**
**na mgbaghara nke njọ, na mbilite n'ọnwu nke ahụ, na ndu ebebe.**

- **EKPERE NA OFUFE**

Nzukọ anyị nwere ofufe digasi iche iche.
Emume oriri-nsọ sokwa na ya.
Ihe ndi di n'ime ya kachasi bu ndia:

| | |
|---|---|
| Ekpere | Oriri-nsọ |
| Ihe ọgụgụ si n'Akwụkwọ Nsọ | Inye ekele na otito |
| Ekwe m na Chukwu | Ngozi |
| Okwu-Chukwu na ekpere | Ukwe ndi si n'akwụkwọ ukwe |

Ekpere nke Jizọs kuziri na-esokwa n'ofufe ọbụla.

Nna anyị nọ n'eligwe
Ka otito diri aha Gi, ka ọchịchị Gị bia
Ka e mee uche Gi n'ụwa ka e si eme ya n'eligwe,
Nye anyị taata nri nke ụbọchị anyị
Gbaghara anyị mmehie anyị ga dika anyị si gbaghara ndi mehiere anyị
ekwena ka anyị kwenye na nranye, ma zọpụta anyị n'ajọ ihe.
N'ihi alaeze bụ nke Gi, ike na ebube ya ebebe ebebe. Aamin

**SAKRAMENTI ỤFỌDỤ**

Oriri-nsọ bụ otu n'ime sakramenti nke okpupke Nzukọ a bụ "EVANGELICAL LUTHERAN" na-eme. Sakramenti ọzọ e nwere bụ baptizim (miri-chukwu) nke Jizọs bidoro site n'okwu ndia:

"Ya mere, gaanu me mba nile ka ha buru ndi na-eso ụzọ m, na-eme ha baptizim ba n'aha nke Nna, na nke Ọkpara, na nke Muọ Nsọ, na-akuziri ha ka debe ihe nile, ka ha ra, bụ nke M'nyere ụnụ n'iwu" (Ọziọma dika Matiu 28:19-20).

Siten na baptizim a na-eme ka madu ba na Nzukọ Kraisti. Onye okenye ọbụla chọrọ ịba na nzukọ a ka aga-akuziri ụmụ ihe ndi dị mkpa banyere Nzukọ Kraisti na ụdị ndụ onye nke Kraisti na-ebi tupu aba ya miri baptizim.

Ụfọdụ emume afọ nke nzukọ a na-eme gbasara ndụ Jisọs. Ndi kachasi mkpa bụ ndia:

Keresimesi (Christmas)- ụbọchị amụrụ Jizọs
Ncheta Ụbọchị akpọgburu Jizọs n'obe
Ncheta Ụbọchị mbilite n'ọnwụ Jizọs
Ncheta Ubọchị Jizọs rọgoro n'eligwe
Pentikost, ubochi Muọ Nzọ, ma ọbụ ụbọchị amụrụ nzukọ Kraisti.

**NZUBE CHINEKE NA NDỤ MADỤ**

Chineke hụrụ madụ nile n'anya, na-achọkwa ka onye ọbụla nwe nzọputa. Ihụnanya Chineke bụ ihe ana-egosipụta site na ndụ, ọnwụ, na mbilite n'ọnwụ Jizọs Kraisti maka ụwa nile.

"N'ihi na Chineke hụrụ ụwa n'anya otua, na O nyere ọbuna Ọkpara Ọ mụrụ nanị Ya, ka onye ọbụla nke kwere na Ya we ghara ịla n'iyi, kama ka o nwe ndụ ebighi-ebi" (Oziọma dika Jọn 3:16)